**Ọrụ Mmwulite Omume na Agwa Ọma**

Onye ahụ nke na-akpọ unu kwesịrị ntụkwasị obi, Ọ ga-emekwazu ya.

***1Tesalonaịka 5:24***

**NNYOCHA ISIOKWU**

**Ọrụ Ebere: Otu Ọbụbụenyi Chineke si Apụta N'ịhụnanya Anyi Nwere Maka Ndị Ọzọ**

Paul J Wadell

"Charity: How Friendship with God Unfolds in Love for Others" nke Paul J. Wadell bụ otu isi n'ime akwụkwọ bụ "Virtues and Their Vices",nke Kevin Timpe na Craig Boyd deziri. Wadell na-enyocha echiche Aristotle na St. Thomas Aquinas gbasara ndụ dị mma n'etiti ndị mmadụ. Aristotle, n'akwụkwọ ya bụ Eudaimonia, kwenyere na mmekọrịta onwe onye na chi (Chineke) agaghị ekwe omume, ebe Aquinas, n'akwụkwọ ya bụ Summa Theologica, kwuru na Chineke ruturu mmadụ aka site n'ịhụnanya na ọbụbụenyi. Ya mere, ihe mgbaru ọsọ kachasịnu bụ mmekọrịta chiri anya na Chineke, nke pụtara ìhè dị ka ọchịchọ okike ụwa maka obi ụtọ na ọganihu mmadụ. Udi mmekorita di otu a jupụtara n'ọṅụ na Chineke ka ana-aghọta dị ka ndụ ọbụbụenyi na Chineke: Nrukọrịta miwanyere emi nke anyị ndị Chineke hụrụ n'anya ma jiri mee oke ọnụ ahịa, na-ahụkwa Chineke n'anya ma na-asọpụrụ Ya n'ọnọdụ Ya. Maka Aquinas, nke a bụ *ọrụ ebere*, nke ana-enweta ahụmịhe ya na-ezughị oke ugbu a, mana aga-enweta ahụmịhe ya n'ozuzu oke n'eluigwe. Ọrụ ebere bụ ụzọ ndụ pụrụ iche nke gụnyere omume ọma niile. Ọrụ ebere abụghị naanị mmekọrịta ime mmụọ na Chineke; kama, ọ ga-agbasawanye mgbe niile gụnyere mmadu ndị ọzọ, ọbụnadi ndị iro anyị. Ọ na-egosipụta onwe ya dị ka ezi ọbụbụenyi na Chineke nke na-apụta ìhè n'ịhụnanya (na ọbụbụenyi) n'ebe ndị ọzọ nọ.

Aquinas kwenyere na agwa ọma na-amalite site na anyi ịghọta na anyị ezughị oke, nakwa na anyị nwere ụkọ. Anyị na-aza ọchịchọ ihe site na-ịchọ ihe ga-eme ka anyị nwee ozuzu oke na obi ụtọ. A sị na ọ bụghị agụụ di otu a, anyị agaraghị eme ihe ọ bụla. Otú ọ dịna, agụụ oke ọchịchọ nke mmadụ na-aghọzi... ihe ahụ ọchịchọ ya na-ezu ike na ya n'ikpeazu makwa na-achịkwazi mmetụta nke mmadụ, biazie duwezie ndụ ya niile. Aquinas kwụdoro aka na ụmụ mmadụ agaghị ahụ obi ụtọ na afọ ojuju ha na-achọ ma ewezuga ibi ndu *ọrụ ebere* na ọbụbụenyi Chineke. ọchịchọ anyị ga-aburiri ihe agbanwere ma chewe ihu n'ebe Chineke nọ. Mgbe anyị nọ na mwute, ọ bụ n'ihi na ịhụnanya na ọchịchọ anyị na-aga n'ụzọ na-ezighị ezi. Anyị ga-aburiri ndi ndu ha gbanyere n'ime ma buru kwa ejirimara *ọrụ ebere.*

Aristotle kwuru na obi ụtọ (eudaimonia) na omume ọma gakọtara ọnụ. Echiche Aquinas bụ na ndụ dị mma sitere na ọbụbụenyi na Chineke. Anyị pụrụ iche na ụmụ anụmanụ n'ihi na anyị nwere ike iji amamihe na ọchịchọ obi kere òkè n'ịdị mma, ịma mma, na ịdị nsọ nke Chineke. Ya mere, ọrụ ebere na-enyere anyị aka isonye na mmepe kachasị elu anyị nwere ike. Ndị ikom abụọ kwenyere na ọrụ ebere chọrọ ọbụbụenyi n'obodo. Aquinas kwuru ya n'ụzọ a: Ịto uto n'omume ọma ndị na-eweta mmepe kacha mma bụ ihe anyị na-eme na-agupụghị onwe anyi iche n'ebe ibe anyị nọ, kama site na-ịdịkọta n'otu. Ọrụ ebere na ọbụbụenyi nke Aquinas dị mkpa ka onye ọ bụla chọta obi ụtọ. Ọ gaghị ekwe omume ma ọ bụrụ na-ewezuga Chineke. Ya mere, amara nke ọrụ ebere chọrọ enyemaka Chineke. Aristotle kwenyere na ọ bụ naanị mmadụ ole na ole pụrụ iche nwere ike ịnweta nke a, ebe Aquinas kwenyere na ọrụ ebere a bụ maka onye ọ bụla.

Aquinas kọwara na ọbụbụenyi bụ mmekọrịta nke onye ọ bụla ji achọ ihe ọma maka onye nke ọzọ ma na-agba mbọ ịchọ ihe ọma nke onye nke ọzọ. Ma, naanị ihe ọma ezughị maka ọbụbụenyi, n'ihi na nke a chọrọ ịhụnanya n'etiti onwe ha; ọ bụ naanị na-ime enyi ka enyi na-enwe enyi. N'ọbụbụenyi, mmadụ abụọ ahụ na-achọ ihe ọma nke onye nke ọzọ, akụkụ abụọ ahụ na-agba mbọ iji mee ka ọ dịri ha mma. Nke a bụ

eziokwu n'ime mmekọrịta anyị na Chineke na ndị gbara anyị gburugburu. N'ọrụ ebere, ọbụbụenyi a na-eto nke ọma. N'ọrụ ebere, Chineke chọrọ ka anyị hụ ya n'anya ma nwee obi ụtọ n'ebe ọ nọ dị ka o si hụ anyị n'anya ma nwee obi ụtọ n'ebe anyị nọ.

Aquinas kwuru sị, Ugbu a, e nwere ihe mmekọrịta [communicatio] mmadụ na Chineke nke Chineke na-ekerịtara anyị obi ụtọ ya, ọ bụkwa na nke a ka ọbụbụenyi dabere**.** Chineke na-enye ma na-ekerịtara anyị “ngọzi” ya, ya bụ ndụ ya jupụtara n'ọṅụ; sitekwa n'onyinye a na-agbanwe agbanwe, ka anyị nwere ike ịkekọrịta na ndụ Chineke n'ụzọ dị irè site na Mmụọ Nsọ naanị. Nke a bụ Chineke ikerịtara anyị ndụ ya n'onwe ya kpomkwem. Ịhụnanya na-amalite ka Chineke na-awụsa obi ụtọ ya n'ime obi unu. Nke a na-eme ka anyị na-ekerịta ya na Chineke nakwa na ndị ọzọ.

Aquinas ghọtara na ndụ *ọrụ ebere* ga-adịrịrị n'ebe Chineke nọ na n'ebe ndị ọzọ nọ, ya na ịhụnanya miri emi maka Chineke na ndị mmadụ. Nagbanyeghị, anyị ga-ebu ụzọ hụ Chineke n'anya, tupu anyị ahụ ndị agbata obi anyị n'anya. Anyị na-amụta otú e si ahụ ndị ọzọ n'anya site na-ibu ụzọ hụ Chineke n'anya. *Ọrụ ebere* bụ obodo zuru ụwa ọnụ nke ndị niile nọ n'ụzọ; naanị obodo zuru ụwa ọnụ nke ndị niile huru onwe ha dika ndi akpọrọ maka nweta ngọzi ebighị ebi n'ime Chineke. Obodo a bụ nsonaazụ ịhụnanya Chineke n'ime ndụ anyị. Anyị na-ebido ghọtawa, ma na etinye n’omume, otú ndụ kwesiri idị n'eluigwe. Omume ọma nke *ọrụ ebere* na-akpụzi otú e si ebi ndụ site n'omumụ ya. O ghọtakwara na ọrụ ebere na-ebido n'ulo ma ọnaghi akwusi n’ulo. Ọ rụtụrụ aka na Ndị Nna anyi si n’Ọzara kụziri gbasara ijere Chineke ozi n'ebe onye ọ bụla nọ. O jiri ọnwụ Jesu n'elu obe mee ihe atụ nke omume ịhụnanya Chineke kacha zuo oke, ebe o gosipụtara ịhụnanya nye ndị iro ya. Anyị na-ahụ ndị iro anyị n'anya n'ihi na e kere ha n'oyiyi Chineke. Ọrụ ebere na-agbanwe otú anyị si ele ndị ọzọ anya. Anyị na-enye onyinye obiọma dị ka ụzọ isi mee ihe ọma. Anyị na-enye onyinye ebere (inye ndị ogbenye) iji gboo mkpa anụ ahụ.

Isi akwukwo nke a na-eme ka onye na-agụ ya ghọta ọrụ Aquinas rụrụ gbasara omume ọma nke *ọrụ ebere* (charity). N'ime *ọrụ ebere*, Chineke na-ekerịtara anyị ihe niile si n’aka ya ka e nwee ike iduba anyị n'ọkwa kachasị elu nke mmadụ nwere ike iru. Ka anyị na-etolite n'enyi anyị na Chineke, anyị na-etolitekwa n'ịhụnanya anyị nwere n'ebe ndị ọzọ nọ. Ọ*rụ ebere* bụ naanị ụzọ isi mara mkpakọrịta, ọṅụ, na udo nke Chineke chọrọ maka anyị, nke bụkwa ihe e ji kee anyị. Ihe ndị e gosipụtara n'isiakwukwo nke a dị mfe nghọta. Ọ ga-abara onye na-agụ ya uru ịmụta banyere ọdịdị *ọrụ ebere* dịka Aquinas si ghọta ya.